**UKA NKE 33 N'OGE NA-ADANYEHI N'EMUME- AFO NKE ATO**
**33rd Sunday of Ordinary Time, Year C. November 13th, 2022.**

**IHE OGUGU NKE MBU- Ihe ogugu e wetara n'akwukwo Onyeamuma Malaki (Mal 3:19-20a)**

Ma lee ubochi ahu na-abia, o na-enwu ka obo oku mgbe ndi mako na ndi aruruala nile ga-ada; ubochi ahu na-abia ga-erepiacha ha, o bu Oseburuwa nke igwe ndiagha na-ekwu, o gaghi ahapu o buladi mgborogwu mobu alaka ha. Ma unu ndi na-atu aha m egwu, anyawu nke eziomume ga-achawaputara unu, nku ya ga-eweta ogwugwo. **Okwu nke Osebruwa- Ekele diri Chukwu**

**ABUOMA NA AZIZA- Abu 98(97):5-9 Aziza tulee 9**

**Aziza: Onyenweanyi na-abia iji ikpe ziri ezi kpee ndi mmadu ikpe.**

1. Kweerenu Onyenweanyi ukwe werenu ubo akwara na ihe egwu di icheiche tiere Onyenweanyi egwu! Werenu opi igwe na mpi kwuputa na Onyenweanyi bu eze. **A**
2. Tienu mkpu osimiri na ihe niile di n'ime ya, uwa na ndi niile bi n'ime ya! Ka iyi niile kuo aka ha, ka ugwu niile kwee ukwe anuri n'ihu Onyenweanyi. **A**
3. N'ihina Onyenweanyi na-abia, o na-abia ikpe uwa ikpe; o ga-eji ikpe ziri ezi na ikpenkwumoto were kpee uwa na ndi mmadu ikpe. **A**

**IHE OGUGU NKE ABUO –Ihe Ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Pol di aso degara Tesalonika (2 Tesalonika 3:7-12)**
Umunna m! Unu onwe unu maara otu unu ga-esi na-enomi anyi. Anyi anoghi nkiti; mgbe anyi na unu no. Anyi erighi nri onye obula n'akwughi ugwo, mana anyi rusiri oru ike, gbalia mgbali ehihie na abali, ka anyi ghara iburu onye obula ibu aro. Obughi na anyi enweghi ikike inara unu ihe oriri, kama ka anyi wee kuziere unu site n'omume anyi ihe unu ga na-enomi. Obuladi mgbe anyi na unu no, anyi nyere unu iwu a: "Onye obula achoghi iru oru, ya erila ihe." Anyi nuru na ufodu n'ime unu achoghi iru oru, ha bu ononkiti enweefe. Ha anaghi aru oru obula. N'aha Dinwenu anyi Jesu Kristi, anyi na-enye ndi di otu a iwu, na-ariokwa ha, ka ha na-aru oru ha, iji ruta ihe ha ga-eri. **Okwu nke Osebruwa- Ekele diri Chukwu**

***MBEKU TUPU OZIOMA*-(Luk 21:28** ***Aleluya, Aleluya!***
Welitenu isi unu, lelie anya elu, n'ihina oge mgbaputa unu abiala nso. **Aleluya!**

**<u>O Z I O M A: Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Luk dere (Luk 21:5-19).</u>**

Ka ufodu ndi mmadu na-ekwu banyere ulonso nke Jerusalem, otu e si were nkume mara mma na ihe onyinye ndi mmadu nyere Chineke choo ya mma, Jesu gwara ha si, "Banyere ihe ndi a nile unu na-ahu, ubochi na-abia mgbe a gaghi ahapu otu nkume n'elu ibe ya nke a gaghi akwatu." Ha juru ya si,"Onyenkuzi, olee mgbe ihe ndi a ga-emezu? Gini ga-abukwa ihe iribaama mgbe ihe ndi a ga-emezu?"
Ma o zara ha si, "Kpacharanu anya ka onye obula ghara iduhie unu uzo, n'ihina otutu ga-abia n'aha m si: 'O bu m bu onye ahu, mobu, 'Oge ahu adila nso!' Unu esokwala ha. Mgbe obula unu ga-anu maka agha na kepukepu maka agha na-abianu, obi efula unu, n'ihina ihe ndi a niile ga-emezu, ma na ogwugwu oge erubeghi." Mgbe ahu Jesu gwakwara ha si, "Otu mba ga-ebilite megide mba nke ozo, otu alaeze ga-ebilitekwa megide alaeze nke ozo. Oke ala omajijiji ga-adi; oke unwu na ajo oria na-efe efe ga-adikwa n'ebe di icheiche. Ihe di egwu na ihe iribaama ukwu ga-aputa site n'eluigwe." Ma tupu ihe ndi a nile emezuo, ha ga-ejide unu, sogbukwaa unu. Ha ga-akpuru unu gaa n'ulonzuko ha di icheiche ikpe unu ikpe. Ha ga-atuba unu 'ulo mkporo kpogakwa unu n'ihu ndieze na ndi ochichi ikpe unu ikpe n'ihi m. Oge di otu a ga-aburu unu ohere iji gbaa akaebe. Ya mere, kpebienu n'obi unu tupu oge ahu eruo na unu agaghi echegbu onwe unu maka ihe unu ga-aza. Nihina mu onwe m ga-enye unu onu okwu amamihe, nke onye obula n'ime ndi na-emegide unu agaghi enwe ike iguzogide mobu imegide site n'okwu. O buladi nne na nna unu, na umunne unu ndjikom na ndi ikwunibe unu na ndi enyi unu ga-arara unu nye. Ufodu n'ime unu ka ha ga-egbupu isi. Mmadu nille ga-akpo unu asi n'ihi aha m. Ma o buladi otu ntutuisi unu agaghi ala n'iyi. Site n'ikwudosiike unu ka unu ga-esi enweta ndu unu."
***Ozioma nke Oseburuwa-Otito diri Kristi***

**English**

## FIRST READING: A reading from the Book of the Prophet Malachi (Malachi 3:19-20a)

Lo, the day is coming, blazing like an oven, when all the proud and all evildoers will be stubble, and the day that is coming will set them on fire, leaving them neither root nor branch, says the LORD of hosts. But for you who fear my name, there will arise the sun of justice with its healing rays. ***The Word of the Lord- Thanks be to God***

**RESPONSORIAL PSALM: PS. 98**

1. **R. The Lord comes to rule the earth with justice.** Sing praise to the LORD with the harp, with the harp and melodious song. With trumpets and the sound of the horn sing joyfully before the King, the LORD. **R. The Lord comes to rule the earth with justice.**
2. Let the sea and what fills it resound, the world and those who dwell in it; let the rivers clap their hands, the mountains shout with them for joy. **R. The Lord comes to rule the earth with justice.**
3. Before the LORD, for he comes, for he comes to rule the earth; he will rule the world with justice and the peoples with equity. **R. The Lord comes to rule the earth with justice.**

## SECOND READING: A reading from the second Letter of St. Paul to Thessalonians (2 Thessalonians 3:7-12)

Brothers and sisters: You know how one must imitate us. For we did not act in a disorderly way among you, nor did we eat food received free from anyone. On the contrary, in toil and drudgery, night and day we worked, so as not to burden any of you. Not that we do not have the right. Rather, we wanted to present ourselves as a model for you, so that you might imitate us. In fact, when we were with you, we instructed you that if anyone was unwilling to work, neither should that one eat. We hear that some are conducting themselves among you in a disorderly way, by not keeping busy but minding the business of others. Such people we instruct and urge in the Lord Jesus Christ to work quietly and to eat their own food. ***The Word of the Lord- Thanks be to God***

**ALLELUIA (Luke 21:28 ) R. Alleluia, alleluia.**

*Stand erect and raise your heads because your redemption is at hand* **Alleluia, alleluia.**

**GOSPEL: A Reading From the Holy Gospel According to Luke (21: 5-19)**

While some people were speaking about how the temple was adorned with costly stones and votive offerings, Jesus said, "All that you see here— the days will come when there will not be left a stone upon another stone that will not be thrown down." Then they asked him, "Teacher, when will this happen? And what sign will there be when all these things are about to happen?" He answered, "See that you not be deceived, for many will come in my name, saying, 'I am he,' and 'The time has come.' Do not follow them! When you hear of wars and insurrections, do not be terrified; for such things must happen first, but it will not immediately be the end." Then he said to them, "Nation will rise against nation, and kingdom against kingdom. There will be powerful earthquakes, famines, and plagues from place to place; and awesome sights and mighty signs will come from the sky. "Before all this happens, however, they will seize and persecute you, they will hand you over to the synagogues and to prisons, and they will have you led before kings and governors because of my name. It will lead to your giving testimony. Remember, you are not to prepare your defense beforehand, for I myself shall give you a wisdom in speaking that all your adversaries will be powerless to resist or refute. You will even be handed over by parents, brothers, relatives, and friends, and they will put some of you to death. You will be hated by all because of my name, but not a hair on your head will be destroyed. By your perseverance you will secure your lives." ***The Gospel of the Lord- Praise to You Lord Jesus Christ***